Ntulekọrịta Mmemme Egwu Imọka N'oge Ochie Na Oge Ugbu A Nke si n'aka

Igbeakụ, Benjamin Chimụatulamụra
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
benjamin.igbeaku@unn.edu.ng

Edeh, Chidịebele Lilian
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
edechidiebere@gmail.com

Ude Fabian Uchenna
Department of Arts Education
University of Nigeria, Nsukka
uchenna.ude@unn.edu.ng

Okey-Agbo, Jacinta Ndidiamaka
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
jacinta.okey-agbo@unn.edu.ng
&
Igbeakụ Dorathy Onyinyechi
Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
dorathyigbeaku@gmail.com

Ụmị

Obodo ọbụla nwere mmemme na ewumewu dị iche iche ha na-eme kwa afọ ọbụla. Ọka bụ otu n'ime obodo a mara ama n'ala Igbo e jiri ọtụtụ ihe ọdịnala, omenala na ewumewu mara. Ndị Ọka nwere mmemme dị iche iche dịka ọnwa ede mmụọ, otite na ịwa ji na mmemme egwu Imọka. Nchọcha a lebara anya na mmemme egwu Imọka. Mbunuche nchọcha a bụ itulekọrịta mmemme egwu Imọka n'oge ochie na ugbu a na ihe ndị kachasị pụta ihe na mmemme egwu Imọka n'oge ochie

nke adịghịzị ire ugbu a. Usoro adịm ka a gbasoro mee nchọcha a. Ajụjụ ọnụ ka e jiri nweta njịatule e ji rụọ ọrụ na nchọcha a ebe mmadụ iri ka a gbara ajụjụ ọnụ nke e jiri nsere mbunuche nweta. Nkọwa ntulekọrịta ka e jiri nyochaa njiatụle iji zipụta eziokwu dị n'ihe a gbatara n'ajụjụ ọnụ. Nchọcha a chọpụtara n'agbanyeghị na mmemme egwu Imọka dị ọkpụtọrọ ọkpụ dịka obodo Ọka siri dị, a ka nwere ọtụtụ myiri na mmemme agba ochie na agba ọhụrụ tụmadị usoro mmemme a na oge e ji eme ya. Usoro banyere igbu opueke n'abalị ụbọchị Orie na n'ụtụtụ ụbọchị Afọ iji chetara ndị mmadụ na mmemme a eruola ka dị ire ruo ta a. Iti mmanwụ, eze nwanyị na ụmụ nwanyi na ụmụ nwoke ịgba egwu na ihe ndị ọzọ ka dị ire ruo ta a. A chọpụtara na ụfọdụ ihe ndị kachasị pụta ihe na mmemme egwu Imọka n'oge ochie na adịghịzị ire n'oge ugbu a bụ: mgba egwuregwu, ejije, ịgba egwu, arịa dịka ekike na etemete nile ndị mmadụ ji achọ onwe ha mma n'ụzọ pụrụ iche na mmemme Imọka, ịba mmanwụ na ngosi mmanwụ dị iche iche.

Ọkpụrụ okwu: ewumewu, eze nwanyị, mmemme, mmanwụ, na ntulekọrịta

1. Mkpọlite

Obodo dị iche iche e nwere n'ala Igbo nwere ọdịnala na omenala e jiri mara ha nke ha ji ebi ndụ ha. Omenala bụ ihe ndị ahụ pụrụ iche e jiri mara obodo dị iche iche. Ezebuilo (2020) kọwara na "omenala na-eleba anya n'ụzọ dị iche iche ndị mmadụ si n'otu agbụrụ si enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha n'ụwa na ka mmekọrịta mmadụ na ibe ya si eto site n'otu oge ruo n'oge ọzọ na ka ha si enwe nghọta banyere ọdịnihu" (p. 87). N'ihi na omenala bụ ọpụrụiche na ndụ ndị mmadụ sị n'otu agbụrụ ka mmekọrịta jiri dịrị mfe. Igbokwe na Akueshi (2021) kọwara na ndụ na-agbanwe agbanwe, otu a ka ọ dịkwa omenala nke na-ebute iwebata ihe ọhụụ n'omenala. Ụfọdụ ihe omenala dị n'ala Igbo gụnyere: asụsụ, ekike, ewumewu, ekele, mmemme, na nrị. Asụsụ so n'ọkpụrụkpụ ihe ndị na-ehibe agbụrụ. Obodo nile dị n'ụwa nwere asụsụ e jiri mara ha. Otu n'ime njirimara ndị Igbo bụ asụsụ. Asụsụ e jiri mara agbụrụ Igbo ka a na-akpọ asụsụ Igbo. Njirimara kachasị pụta ihe e ji amata onye Igbo bụ asụsụ Igbo. Onye Igbo sụọ asụsụ Igbo, a marala na ọ bụ onye Igbo. Ekike bụkwa njirimara ọzọ e jiri mara agbụrụ Igbo. Ndị Igbo nwere etu ha si akwado onwe ha maọbụ edozi onwe ha n'ọchịchọ na kwa na nnabata nke agbụrụ Igbo. Ọgbọ ọ bụla nwere ekike e jiri mara ya n'ala Igbo. Ndị agadi nwanyị, nwoke, ntorọbịa na ụmụaka nwere ekike e jiri mara ha n'ala Igbo.nke gbadoro ụkwụ na ndụ ndị Igbo.

Ewumewu dịka otu n' ime omenala bụ usoro e si akwalite obibi ndụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ewumewu gụnyere: usoro ọchịchị, azụmahịa, akaọrụ na mmemme dị iche iche dịka ịlụ nwanyị, iri ji ọhụrụ, akwamozu na ichi echichi. Ihe ndị a bụ nke ọha obodo nabatara ma kwenyekwa na ya. Ọ bụ site n'omenala ndị a ka e si ahazị akparamagwa obodo ma na-akwalite agamniru obodo. Ọka so n'otu obodo na-akwanyere omenala ugwu. Ọka nwekwara omenala nke ha. Ha nwekwara ụzọ dị iche iche ha si ezipụta omenala nke dị iche n'omenala ndị ọzọ. Ọka nwere omenala ndị dịka ilụ nwanyị, akwamaozu, ịgụ nwa aha, ọwụwa ji, ọnwa ede mmụọ, na mmemme egwu Imọka. Ebe mgbado ụkwụ nchọcha a bụ nanị na mmemme egwu Imọka. Mmemme egwu Imọka bụ emume pụrụ iche a na-akwanyere ugwu n'Ọka. Mmemme a bụ oge pụrụ iche mmadụ na ibe ya ji emekọrịta. Ha na-esite na mmemme a akwanyere chi, obodo na kwa ndị nna nna ha ugwu n'ụzọ pụrụ iche. Ndị Ọka na-egosipụta nkwenye ha nwere n'omenala ha site n'egwu Imọka. Mmemme a abụghi nanị ihe nkiri kama ọ bụ ụzọ e si akwalite udo na ịdịnotu. Mbunuche nchọcha a bụ itulekọrịta mmemme egwu Imọka dịka o siri dịrị n;oge ochie na ugbu a iji chọpụta myiri na ndịiche tụmadị n'ihe ndị kachasị pụta ihe na mmemme egwu Imọka n'oge ochie na-adịghịzị ire n'oge ugbu a. Iji chọpụta emereme ochie na adịghịzị n'oge ugbu a na ụfọdụ ihe e webatara na mmemme a bụ ihe kpalịrị mmụọ nchọch a.

2. Ntuleharị agụmagụ

Nkeji a tuleharịrị agụmagụ metutara isiokwu a na-eleba anya. E mere nke a n'ụzọ abụọ: ntuleharị isiokwu bụ mmemme egwu Imọka na ntụleharị ihe e derela n'isiokwu.

2.1 Mmemme egwu Imọka

Mmemme egwu Imọka bụ mmemme izizi a na-eme n'Ọka kwa afọ ọbụla. Egwu Imọka bụ nke a na-eme otu izuụka malite n'ụbọchị Afọ kwụsị n'ụbọchị Orie (mkpụrụ ụbọchị anọ). Nke a bụ mmemme na-edubanye ndị Ọka n'afọ ọhụrụ na kwa mgbe mmalite ọrụ ugbo. Obodo nile dị n'Ọka na-esonye na mmemme a. Ọ bụ oge ndị mmadụ ji akwanyere chi Imọka ugwu ma rịọkwa ya ka ọrụ ugbo ha bụrụ nke ga-aga nke ọma n'afọ ahụ. Ezenagu (2014) kọwara na "mmemme a na-adị kwa ọnwa nile n'Ọka beresọ n'ọnwa anọ. Ọnwa anọ a dịka agụmoge mmemme ndị Ọka siri dịrị bụ ọnwa furu efu n'ihi na ha na-agbakwasa anya nke

ọma na mmemme maka ọ na-enyere ha aka n'ịhazị mmemme ha" (p. 46). Ọ bụ n'Amachalla ka a na-anọ eme mmemme egwu Imọka. E nwere ọhịa dị n'Amachalla a na-akpọ chi Imọka. Ọ bụ n'ọhịa a ka a na-anọ eme ya bụ mmemme. Ọ bụrụ n'oge gboo, a na-eme egwu Imoka, o nweghị nwanyị na-akwụdebe nso n'ọhịa Imọka ọkachasị n'ụbọchị ụmụ nwoke ga-agba egwu Imọka nke ha. Ọ dịghịkwa etu a n' oge ugbu a n'ihi na ihe mgbanwe batara na mmemme a. Ezenagu (2014) gara n'ihu kọwaa na

mmemme egwu Imọka bụ mmemme mbụ a na-eme n'Ọka dịka agụmoge mmemme ndị Ọka siri dị. Mmemme a na-egosi mgbe e ji amalite ịkọ ugbo. Ọ bụ mmemme a karịsịrị ekpo ụkọ n'ime mmemme nile e nwere n'Ọka n'ihi na mmadụ na-enupụta n'igwe n'isonye na mmemme a iji kelee ma kpesara chi Imọka ka omee ka ihe ubi mịta mkpụrụ ọma n'afọ ha banyere na ya (p. 47).
Ọ bụ n'ọhịa Imoka ka a na-eme ihe gbasara nchụaja ebe ihe ndị ọdịnala ndị ọzọ bụ n'ama obodo ka a na-eme ha. Dịka akụkọala e nwetara n'aka ndị a gbara ajụjụ ọnụ siri kọwaa banyere mmalite mmemme egwu Imọka, a kọwara na e nwere otu nwagbọghọ aha ya bụ Nomeh n'obodo Ọka. Nomeh dara n'oke ọrịa. Nke a mere ka ndị ụmụnna ya jee n'obodo agbataobi ha bụ Ụmụezeukwu kpọta dibịa ka ọ gwọọ ya ọrịa. N'agbanyeghi nke a, Nomeh mechara nwụọ. Ka Nomeh nwụchara, ndị Ọka mechara luso obodo Ụmụezeukwu ọgụ nke na obodo ahụ adighịzị ruo taa. Ka afọ olenole gasịrị Nomeh jiri nwụọ, Nomeh mechara mesiwe ndị obodo ya ike. Ụmụaka malitere nwụba aghara aghara. Ndị Ọka mechara chọpụta na ọ bụ mmụọ Nomeh na-egbu ụmụaka n'obodo ha. Akụkọ kọrọ na Nomeh alụghị di nke o ji amụta nwa tupu ọ nwụọ. Iji mee ka mmụọ Nomeh dajuo na kwa iwepụ ọdachi dakwasịrị ndị obodo ha, ndị ụmụnna Nomeh gara kpọta ndị dibịa kara aka n'Idoma ndị a na-akpọ (Akpotos). Ndị dibịa ahụ gwọrọ ha ọgwụ a na-akpọ Akwalị ọmụmụ ụmụ Ọka.

Ọgwụ a na-echekwa ndị Ọka tụmadị ebe ọmụmụ dị. E liri ọgwụ ahụ n'ili Nomeh. Ka e lichara ọgwụ ahụ ebe ahụ, o bidoro mewe ihe ọma dịka igozi ha n'ọmụmụ ihe ubi na ụmụaka ma mee ka ọnwụ ụmụaka kwụsị. Nke a mere ka ndị Ọka na-akwanyere ya ugwu ka 'chi' ha. Aha chi a bụ Akwalị ọmụmụ ụmụ Ọka maọbụ Imọka. Nke a pụtara na ọ bụ n'ili Nomeh ka ewubere ụkwụ arụsị Imọka. Ma ruo taa, ndị Ọka ka na-akwanyere Imọka ugwu pụrụ iche dịka chi na-echekwaba ndụ ha, ọmụmụ mmadụ, anụ na ihe ubi. Ndị Ọka ekweghi ka ndị dibịa Idoma ahụ

laghachi n'obodo ha. Nke a bụ n'ihi na egwu na-atụ ha na ụmụ nwoke ahụ nwere ike ije obodo ọzọ gwọọ ụdịrị ọgwụ dị otu ahụ. Ọ bụ nke a mere ha jiri nye ha ala n'obodo ha. Ndị dibịa ahụ mebere obodo a na-akpọ Okpuno. Ihe a na-akpọ obodo ahụ bụ Okpuno Ọka chi. Ọ bụ nke a mere na ọ bụ naṇị Ọka bụ ihe na-eme mmemme Imọka n'ala Igbo nile ruo ta a.

N'oge mmemme a, ma nwoke ma nwanyị na-esonye na ya. N'oge ahụ, onye ọbụla ga-akwụsị ọrụ n'ihi mmemme a. Ndị Ọka ejighị mmemme a èwù égwù. Ọ bụ ya kpatara ha ji akwado ya nke ọma. Ndị nile bụ ndị Ọka na-esi ebe dị iche iche alọta maka mmemme a. Ụfọdụ bụ oge dị otu a ka ha ji achọta nwanyị ha ga-alụ. A na-eme ihe ngosi dị iche iche na kwa ejije mmọnwụ. Ụmụ nwoke na-eme nke ha, ụmụ nwanyị na-emekwa nke ha. Ndị ntorọbịa na ụmụaka na-emekwa nke ha. Nke a bụ iji gosi nkwenye ha n'ebe omenala ha dị. Ọ bụrụ n'oge gboo, a na-eji ejije ntọọchị eweta mmemme a na njedebe. Ọ dịghịzị otu a n'oge ugbu a. N'oge ugbu a, ọ bụ akụkọ ndị dike gara aga n'Ọka ka e ji eweta mmemme a na njedebe. Akụkọ a ga-enwe ihe ntọọchị na ya nke ga-eme ka ndị mmadụ nwee obi anwụrị ma jiri ọṅụ laa na be ha dị ich iche.

Mmemme egwu Imọka bụ nke a na-eme tupu akọba ọrụ ugbo mana ihe bụ isi sekpụ ntị na ya bụ mmemme bụ ịkwanyere chi Imọka ugwu. Iji gosi mkpa nke a dị, o nweghi onye na-eje maọbụ arụ ọrụ n'oge ya bụ mmemme. Ndị Igbo bụ ndị e ji ịgba mbọ mara nke ukwuu. Ọ bụ ihe nhịahụ nyere ha i wepụta oge ha ji ezu ike. Oge mmemme egwu Imọka bụ oge pụrụ nnukwu iche ọha obodo ndị Ọka ji ezu ike. N'abalị ụbọchị Orie, a fụọ opueke, ọrụ nile ga-akwụsị ganye na-emesịa mmemme egwu Imọka. Ọzọ kwa, n'oge dị otu a, a na-enwe ihe ngosi dị iche iche nke na-akpa ndị mmadụ ọbi ụtọ. Na mmemme egwu Imọka, mmanwụ dị iche iche na-agba. Ụfọdụ mmanwụ na-eduru ndị egwu ya aga n'ụlọ ndị mmadụ a gụrụ ma na agbara ha egwu. A na-emekwa ihe ejije dị iche iche na-ama obodo. Ihe nile ndị a na-eme ka ndị mmadụ nwee ike isonye na ya bụ mmemme nke ọma.

2.2 Ntụlegharị ihe e derela n'isiokwu

Ukwuaba (2014) mere nchọcha banyere omenala ịgụ afọ n'Igbo dịka ọ dị n'obodo Ovoko. Mbunuche ya bụ iji mata mgbe ọnwa ha ji ebido, ọnwa ha ji eme mmemme, na mmemme ha na-eme n'ọnwa ndị ahụ. Ọ gbasoro usoro nchọcha nkọwa were rụọ ọrụ ya. Ọ bụ ndị okenye nọ n'Ovoko ka ọ gbara ajụjụ ọnụ. Na

nchọcha ya, ọ chọpụtara na afọ ọhụụ ha na-ebido n'ọnwa Febụwarị. O kwuru na o ji emume Omabe nke a mara dịka ụda màá were ebido. Mmemme ndị ọzọ ha na-eme gụnyere Egbaeze (Maachị), ọnwa Ịgwọji (Mee), ọnwa Ihorihi (Juun), ọnwa Ụlama (Julaị), mmemme ncheta nna, nke a kpọrọ ọnwa asaa (Ọgọst), ọnwa Uke, nke a na-akpọ Asoji Akatakpa (Septemba) nke ndị Ovoko ji ya eme mmemme iri ji ọhụụ, ọnwa Ejọ okike (Ọktoba), ọnwa Egba Chukwu ndị Inyom na Chukwu ndị Ikom. Ukwuaba gara n'ihu kọwapụta na nchọcha ya na ọ bụ ahịa ka ndị Ovoko ji ama ụbọchi. O kwuru na dịka ọ dị n'ala Igbo ndị ọzọ, na ha na-eji ụbọchị ahịa a mụrụ mmadụ agụ aha dịka Ekeje (onye a mụrụ n' ụbọchị eke), Okafọ (onye a mụrụ n'ụbọchị Afọ) dgz. Myiri dị n' ọrụ nchọcha e ji n'aka na nke Ukwuaba (2014) bụ na ha abụọ na-ekwu maka mmemme. Ndịiche dị na ha bụ na nke a na-eleba anya na ntụlekọrịta mmemme egwu Imọka n'oge ochie na ugbu a ebe nke nchọcha Ukwuaba lebara anya na mmemme Ịgụ afọ n'ala Ovoko, Nsụka.

Niyi (2016) mere nchọcha banyere Ikeji nke Arọndizuọgụ nke mbunuche ya bụ iji chọpụta ka e si eme mmemme a na kwa oge e ji eme mmemme a. Niyi jiri usoro ịgba ajụjụ ọnụ mee ọrụ nchọcha ya. Ọ bụ ndị okenye nọ n'Arọndịzuọgụ ka ọ gbara ajụjụ ọnụ. Ọ chọpụtara na ọ bụ n'ọnwa Aprel n'afọ ọbụla ka e ji eme mmemme Ikeji, nke n'ebido n'ụbọchị Eke ruo n'ụbọchị Afọ. O kwuru na ọ bụ Eke ka e ji azụta ihe niile e ji eme mmemme a. Nke a bụ n' ihi nkwenye ha na ọ bụ ndị nnanna ha na-ezite ihe niile a na-ere n'ahịa ụbọchi Eke ahụ. N'ụbọchi Orie ezinaụlọ dị iche iche na ndị obodo na-eje a chụrụ chi ha aja iji kelee ya ma riọ ya ka o chekwaba ha na mmemme ha na-eme. N'ụbọchi Afọ na Nkwọ ụmụ nwanyị na-esi ọtụtụ nri dị iche iche n'ezinụlọ ha ebe ndị mmọnwụ ga-eje n'ama obodo eme ihe ngosi dị iche iche. Myiri dị na nchọcha Niyi na nke ọchọcha bụ na ha abụọ na-egosipụta omenala. Ndịiche a hụtara na nchọcha abụọ a bụ na Niyi mere nchọcha ya banyere mmemme Ikeji Arọndịzuọgụ ebe nchọcha nke a gbadoro ụkwụ na ntụlekọrịta mmemme egwu Imọka dịka ọ dị mgbe ochie na ugbu a.

Esogbue (2018) mere nchọcha banyere Iche-Ulor nke Asaba. Mbunuche ya bụ iji chọpụta uru mmemme a bara. O jiri usoro nnyocha nchọcha nke gbadoro ụkwụ na ị gba ajụjụ ọnụ. Ọ gbara ọtụtụ mmadụ ajụjụ ọnụ tụmadị ndị okenye wee mee nchọcha ya. Ọ kọwara mmemme Iche-Ulor nke Asaba dịka nke e nwere ike ime kwa afọ maọbụ oge ọbụla iji kelee chi ala maka ọmụmụ na kwa oge e ji asacha ma na-achụpụ ajọ mmụọ n'obodo. Ọ gara n'ihu chọpụta na mmemme a bụ nke a na-

eme tupu e rie ji ọhụrụ. Mmemme a bụ oge nsacha na ịchụpụ ajọ mmụọ, ezinaụlọ nile ga-azacha gburu gburu ha na kwa obodo nile. Mgbe e mesiri nke a, ha ga-ekpokọta ihe nile ha zakọtara suo ha ọkụ were ntụ ya ga wufuo n'oshimiri Naịja. Ha kwenyere na ọ bụ ụzọ dị otu a ka a ga-esi chụpụ mmụọ ọjọọ nile dị n'obodo ha. Myiri dị na nchọcha nke ugbu a na nke Esogbue bụ na ha abụọ na-akọwa maka mmemme na omenala. Ndịiche dị na ha abụọ bụ na nchọcha Esogbue na-akọwa maka mmemme Iche-Ulor nke Asaba ebe nchọcha nke ugbu a na-akọwa maka ebe nchọcha nke a gbadoro ụkwụ na ntụlekọrịta mmemme egwu Imọka dịka ọ dị mgbe ochie na ugbu a.

Ezesinachi (2021) mere nchọcha banyere emume Nsijiugwu n'Okpuje. Mbunuche ya bụ ịchọpụta ka ndị Okpuje si eke ekike na nrị ha na-eji eme mmemme Nsijiugwu omenala ha. Nchọcha a chọpụtara n'atụtụ a bụ ihe gbasara ejije, ekike, mmegharị ahụ na kwa nri dị iche iche e ji eme emume a. Nchọcha abụọ a yiri n'ihi na Ezesinachi na-akọwapụta na emume ọbụla nwere ụbọchi a na-eme ya, ekike a na-eke tinyere nrị dị iche e ji eme ya na kwa ngwa e ji eme ya. Mana ndịiche dị na nchọcha Ezesinachi na nchọcha nke a bụ na nchọcha a na-eleba anya na ntụlekọrịta mmemme egwu Imọka n'Ọka oge ochie na ugbu a mana Ezesinachi lebara anya n'emume Nsijiugwu n'Okpuje.

3. Usoro nchọcha

Nchọcha a gbasoro usoro adịm were mee nchọcha a. Nworgu (2015) kọwara usoro nchọcha adịm dịka usoro a na-eji nsere họpụta ụfọdụ mmadụ ndị ga-anọchite anya ndị e ji eme nchọcha, ka e wee nweta echiche ha gbasara ihe a na-elegara anya na nchọcha ahụ. Ụdị nchọcha a dabara n'ọrụ a maka ịchọpụta ihe banyere mmemme egwu Imọka. Ọka bụ obodo edemede a hiwere isi na ya. Ọka bụ otu n'ime obodo dị n'Anambara Steeti. Ọka bụ isi obodo ọchịchị n'Anambara Steeti. Ọka bụ obodo e ji ịkpụ ụzụ, azụmahịa, ọrụ ugbo na kwa ọrụ aka dị iche iche were mara. Ọ dị ụzọ nnukwu obodo abụọ dị n'Ọka ha bụ Ifite na Ezinatọ. Ifite nwere obodo anọ mejupụtara ya nke gụnyere Ayọm-na-Ọkpala, Nkwelle, Amachalla na Ifite-Ọka. N'aka nke ọzọ Ezinatọ nwere obodo atọ dị na ya ha bụ;Amikwo, Ezi-Ọka na Agulu. Ọka nwekwara obodo ndị gbara ya agbataobi ha gụnyere Nise, Nibo, Amawbia, Ebenebe, Mgbakwu, Isu-Aniocha, Awba, Ugbenu, Ugbene, Okpuno, Umuawulu, Amansea na Urum. Ọnụọgụ ndị Ọka karịrị ihe dịka nde mmadụ. N'ihi ya, nsere mbunuche ka e jiri họrọ mmadụ iri a gbara ajụjụ ọnụ, otu

mmadụ na mpaghara asaa e nwere n'Ọka. Ajụjụ ọnụ bụ ngwaa nchọcha e jiri nweta njịatụle e jiri rụọ ọrụ a ebe nkọwa ntulekọrịta ka e jiri nyochaa njịatụle iji zipụta eziokwu dị n'ihe a gbatara n'ajụjụ ọnụ dịka o siri metụta ihe mere eme a hụrụ anya na mmemme egwu Imọka ndị Ọka.

4. Izipụta njịatule na ntulekọrịta mmemme egwu Imọka

Nkeji a lebara anya na njịatụle nke e nwetara n'aka mmadụ iri a gbara ajụjụ ọnụ. Ihe ọsịsa e nwetara n'ajụjụ ọnụ a gbara mmadụ iri ka e jiri tulekọrịta ma kọwaa mmemme egwu Imọka ndị Ọka. E mere nke a n'ụzọ abụọ: ntulekọrịta mmemme egwu Imọka n'oge ochie na ugbu a na ihe ndị kachasị pụta ihe na mmemme egwu Imọka n'oge ochie na-adịghịzị ugbu a.

4.1 Ntulekọrịta mmemme egwu Imọka n'oge ochie na ugbu a

Mmemme egwu Imọka dị ọkpụtọrọ ọkpụ dịka obodo Ọka. Nke a mere na ụfọdụ usoro e si eme mmemme a n'oge ochie anaghịzị apụta ihe n'oge ugbu a. Ndị nchọcha chọpụtara n'aka Ọnwụasọnya (2021) nke bụ otu onye na ndị a gbara ajụjụ ọnụ na egwu Imọka bụ nke a na-eme kwa afọ n'Ọka dịka ngụ oge ndị Ọka siri dị ma bụrụ ihe malitere kemgbe obodo Ọka jiri malite. Ọnwụasọnya kọwara na mmemme a bụ emume a na-eme otu izuụka n'ọgụgụ oge ndị Igbo (Eke, Orie, Afọ na Nkwọ). Ọ na-ebido n'ụbọchị Afọ ma kwụsị ụbọchị Orie. N'abalị ụbọchị Orie, a ga-egbu opueke nke na-echetara ndị mmadụ na mmemme a eruola mana e nweela ụfọdụ ihe gbanwe nke ekpemekpe Kraịs na mmepe butere. A naghị egbu opueke ugbu a ka e si egbu ya n'oge ochie. Nwora (2021), onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na mmemme egwu Imọka anaghị agafe ma ọ bụ pekarịa otu izuụka. Ọ na-amalite ụbọchị Afọ. N'abalị ụbọchị Orie na-efota Afọ, a ga-egbu opueke ma kụọkwa ikoro/ekwe Imọka. Nke a na-egosi nkwadobe maka ya bụ oke ụbọchị Afọ. Nwora gara n'ihu kọwaa na ọ bụrụ n'oge gboo, a fụọ opueke a, onye ọ bụla ga-akwụsị ọrụ. Onye emeghi nke a, chi Imọka ga-esu ụlọ ya ọkụ iji taa onye ahụ ahụhụ maka imeru izuụka ya. N'oge ugbu a, ụdị ihe a adịghịzị ire. Onye tinye ọkụ be mmadụ, ịba mkpọrọ biri ya. N'oge ahụ, mgbe ndị mmadụ kwụsịrị ọrụ na-alazi na be ha dị iche iche, ha ga-akwụsị n'ọhịa Imọka na-eto ya na-asị "okporimili, ọ mụta onezue anya" nke pụtara chi na-echekwa ụmụ ya.



Ọhịa Imọka

Nwora (2021) gara n'ihu kwuo na ụtụtụ ụbọchị Afọ nke bụ ụbọchị mbụ mmemme egwu Imọka, a ga-afụkwa opueke ọzọ iji gosi na ya bụ oke ụbọchị eruola. Ọ bụrụ na a fụọ opi a, ụmụ nwoke ga-esi na be ha dị iche iche pụta zachaa ama obodo. N'oge ugbu a, ụmụ nwoke nọ n'ụlọ pere mpe ma ụfọdụ n'ime ha nọ n'ụlọ anaghịzị apụta azacha ama obodo. Ọ bụkwa n'ụtụtụ ahụ ka a ga-egbu anụ a ga-eji mee mmemme ahụ. A ga-ewere mgbịrị afọ anụ ndị ahụ e gburu tụnye n'akụkụ ukwu osisi arụsị Imọka iji chụnyere ya aja. Udene ga-abịa rie mgbịrị afọ anụ ndị ahụ. Udene ịbịa ebe a chụnyere aja a na-egosi na Imọka nabatara aja ha chụrụ maọbụ na ọ nabataghị ya. Ya bụ, ọ bụrụ na udene bịa rie àjà ndị ahụ a chụnyere n'ukwu osisi Imọka, ị mara na a nabatara àjà ahụ mana ọ bụrụ na udele abịaghị maọbụ na ha erighi àjà ahụ, ị mara na a nabataghị àjà ha chụrụ.

Ihe a Nwora (2021) kwuru dabara n'okwu Okafor (1992) nke o kwuru na ọ bụrụ na achụọ àjà ma gbukwa anụmanụ ma udele abịaghị, ezemmụọ ga-akụ ogene ma kpọkuo Ụkọ! Ụkọ! nke pụtara onye ozi, onye ozi na udele ga-apụta'. Nke a mere

ndị Ọka ji ekwu ‘a gbaa afa àjà ma shị afụrọ udele, mara n’ife meli be mmụọ’. Nwankwo (2021), onye a gbara ajụjụ ọnụ, rụrụ ụka na ‘oge ugbu a na ọ bụzị mmadụ na-erizi anụ kwesiri ka a chụnyere chi Imọka dịka àjà’. Ọ bụrụ na ndị mmadụ richa nri, ha agabazie n'obu Imọka iji kwanyere ya ugwu. Nnamdi (2021), onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ kọwara ‘na isi ụtụtụ ụbọchị mmemme a na Ezemmụọ ga-abanye n'obu Imọka wepụta onyonyo Imọka nke e yiwere akwa mmanwụ dobe ya n'ihu obu Imọka. O mesia nke a, o bido kpọkube chi Imọka ka ọ bịa gọzie ụbọchị mmemme ha. Nnamdị kọwakwara na ‘ndị ụmụ nwoke ga-ewere ihe onyinye ndị dịka ji, nzu na ego gaa nye chi Imọka iji kelee ya maka nchekwaba ya n'ebe ha nọ. Ụmụ nwoke ndị ahụ ga-ewere nzu ahụ kaa akara n'ala nke na-egosi nwamaala Ọka nke a na-akpọ "ịma odo". Eze Imọka ga-anara onyinye ha ma rịọ chi Imọka ka ọ gọzie ụmụ ya. Eze Imọka na-eyi uwe ọcha, kpuru okpu nwawali (okpu agha) ma yiri ákà n'olu n'oge mmemme a. Ọ ga-ewerekwa nzu tee n'anya ya abụọ’.

Okorie (2021), onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ, kọwara na ọ bụrụ n'oge gboo, eze Imọka ga-anara ụmụ nwoke ahụ ji ha jiri bịa, bepụta obere n'ọdụdụ ya metụ n'egedege ihu ha, ara aka nri na aka ekpe, tufee ya n'isi ya tupu o bute ihe onyinye ha n'ihu ekwu aja Imọka mana ụdị amasị a adịghịzị ire ugbu a. Mgbe nke a mechara ụmụ nwoke ndị ahụ ga-ekwu ebumnobi ha n'ihu Imọka were nzu tee n'anya ha wee laba be ha dị iche iche. Nwankwo kọwakwara na ọ bụrụ ụmụ nwanyị, ha ga-ewere nzu tee n'ara na ụkwụ ha. Nke a bụ usoro e si anata ngọzi n'aka chi Imọka. Na nkọwa Okeke (2021), onye a gbara ajụjụ ọnụ, mgbe Ezemmụọ natachara ihe onyinye ndị a mara na mmemme ụbọchị ahụ abịala n’isi njedebe. E mesịa nke a, Ezemmụọ ga-ewere ogene kụọrọ Imọka egwu iji jaa ya ike. Ka na-emecha nke a, ndị odibo eze Imọka ga-eburu ekwu nchụaja Imọka gaa n'ama opueke maka ịgbara ya egwu. Ekwu nchụaja ahụ bụ nke a ga-adọkwasị oyiyi Imọka e jiri osisi tụa/pịa, maa ya akwa ọcha na uwe mme mme. Ndị nọ n'ama obodo ga-esonyekwa n'ịgba egwu opueke. Emesịa nke a, ndị odibo eze Imọka ga-ebuli onyinyo Imọka elu ganye na ha eruo n'obu Imọka. Ọ bụ n'ebe a ka ha ga-ebutu ya. Nke a bụ ihe iweta mmemme nke ụbọchị ahụ na njedebe.

N'isi ụtụtụ ụbọchị nke abụọ, eze nwanyị ga-eduru ụmụ nwaanyị ha gụrụ egwu gawa n'obu Imọka. Eze nwaanyị na-edu ha na-ejikwa nzu n'aka.



Ụmụ nwanyị na-agba egwu Imọka n'oge ochie

Ọ bụkwa ụbọchị a ka mmanwụ dị iche iche ji apụta iji kwanyere mmemme nke ụmụ nwanyị ugwu. Mmanwụ dị iche iche dịka Ajọanụ, Ijele, Enyi nnunu na ndị ọzọ na-apụta n'ụbọchị a. Mmanwụ dị iche iche na-apụta n'ama obodo, e jiri ịgba na-akụrụ ha egwu dị iche iche ha na-agba. Okoli (2021), onye a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na oge ugbu a, mmanwụ anaghịzị aga n'ama obodo. Ha na-agbara egwu agagharị n'ogbe ma na-apịarịta onwe ha añachụ (ụtarị). Ha na-eme nke a, onye pịa ibe ya, ibe ya apịagwara ya. Ha na-eme nke a iji gbochie nsogbu ịdapụta n'etiti onwe ha. Ụda añachụ ha na-apịa onwe ha na-erucha ebe a na-agba egwu Imọka. Nke a bụ iji chọpụta ndị nwere ike idinwu ụfụ ụtarị añachụ ahụ. Ha ga-emegide nke a ruo n'abalị mgbe ndị mmadụ na-ekiri ha ga-alaba na be ha'.

Na nkọwa Eze (2021) bụ onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ, ihe mmanwụ dị iche iche ji apụta bụ iji kwanyere mmemme nke ụmụ nwanyị ugwu. Ụbọchị nke atọ na mmemme a bụ ụbọchị Eke. Eke bụ ụbọchị ụmụ nwoke ji agba egwu opueke nke ha. Ezinaụlọ ọ bụla na-esi nri pụrụ iche ụbọchị ahụ ọkachasị nri avulu (ofe onugbu) na ji. Ndị mmadụ na-agagharị n'ezinaụlọ, ogbe na obodo dị iche iche na-

eri ma na añụkwa ebe ndị mmanwụ na-agbagharị na-akpa ndị mmadụ obi ụtọ. A gara n'ihu kwuo na ụdị ngagharị n'ezinaụlọ na ogbe dị iche iche adịghịzị ugbu a.



Adibe (2021) bụkwa onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ kọwara 'na oge ochie, mmanwụ nke dị onye mma gata, onye ahụ na-ekiri ya ga-ewere obi anụrị na-akpọkụ ya site n'iti:

Okokokoko oooooo!
Igbo bịa fụlụ ive ooooooo!
Nke anyị amanarịchaaaaa oooooo!
Elelecha ọñụ elele ọñụ oooooo!
Nke anyị amanarịchaaaaa oooooo!!!

Adibe gara n'ihu kọwaa na mgbe a na-agụ egwu a, mmanwụ a na-agụrụ ya, ga na-atụ mbem ma na-agbakwa egwu iji gosi n'obi dị ya mma. Ihe ndị a ka a ga-emegide ganye na chi ejie, onye ọbụla alasaa'.

Site n'ọnụ ndị a gbara ajụjụ ọnụ, ụbọchị nke anọ bụ ụbọchị ikpeazụ ma bụkwara ụbọchị ezumike. Ndị okenye na-enwe ọgbakọ dị iche iche. E jikwa ụbọchị a ekpezikwa esemokwu dapụtara n'ezinaụlọ. Ndị mmanwụ na ndị egwu ha na-agakwa n'ụlọ ndị mmadụ. Ndị mmadụ na-anabatakwa ha bunye ha nri ji na avulu (ofe onugbu). Ndị mmadụ na-esi nri iji nabata ndị ga-abịa chọta ha n'ụlọ ha. Ụmụ nwanyị na-ebugara ụmụ nwoke mere ha afọma nri ji na ofe avulu n'oge a iji kelee ha. Nna nwe ezinaụlọ na-enyekwa ndị enyi, agbataobi na ikwunaibe ha nri n'oge a iji gosipụta ezi mmekọrịta n'etiti onwe ha. Ụmụntorobịa bụkwa n'ụbọchị a ka ha ji anabata ndị enyi ha lọtara maka ya bụ mmemme.

Obiokafor (2021), onye a gbakwara ajụjụ ọnụ kọwara na otu ihe a mara ama bụ ọpụrụiche ụbọchị nke anọ bụ na ọ bụ ụbọchị ụmụ okorobịa ji aba mmanwụ. A na-eme nke a n'obu nna ezinaụlọ ọ bụla. Ọ bụ akị bekee ka e ji eme nke a. Ọ bụ nne nwaokorobịa ahụ ga-eweta akị bekee e ji eme nke a. Oriri na ọñụñụ ka na-aga n'ihu n'ụbọchị ikpeazụ mmemme egwu Imọka. E richaa nri n'oge ehihie, ọha obodo ga-agbakọta n'ihu ahịa Nkwọ iji kirie ihe ngosi. Ọ bụ nwanyị kachasị bụrụ okenye n'Ifite Ọka na ndị mmanwụ na-eme nke a. Ha na-eme ihe ntọọchị nke na-akpa ndị mmadụ obi anwụrị. Ọ bụ ihe nkiri a na-eweta mmemme a n'isi njedebe. Nke a ga-eme ka ndị mmadụ jiri obi anwụrị laa na be ha dị iche iche'.

Site na nkọwa ndị a gbara ajụjụ ọnụ, mmemme egwu Imọka nwere ụbọchị abụọ kacha mkpa na mmemme a. Ụbọchị nke mbụ na ụbọchị nke abụọ bụ ụbọchị mmemme a ji akpụ ọkụ n'ọnụ. N'ụbọchị nke mbụ bụ ụbọchị Afọ bụ ụbọchị ụmụ nwanyị ji agba egwu Imọka ma ọ bụ egwu opueke nke ha. Ndị ezenwanyị, ndị ịyọm na kwa ụmụ nwanyị ga-eje n'obu Imọka na-agba egwu. N'ụbọchị ahụ kwa, ụmụ nwanyị ga-esi nri ji na ofe avulu mara mma ndị mmadụ ga-eri ụbọchị ahụ. Ndị sikwa obodo ọzọ na-abịa sonyere ha na mmemme a ọkachasị ndị ezenwanyị.

N'ụbọchị nke abụọ bụ ụbọchị Nkwọ bụ ụbọchị ụmụ nwoke ji agba egwu Imọka nke ha. Ndị eze ọdịnala, ndị nze na ọzọ, ndị echichi ọdịnala nile na kwa ụmụ nwoke na-esonye na mmemme a n'uju. Ọ bụ eziokwu na mmanwụ na-agba n'ụbọchị nke ụmụ nwanyị iji kwanyere mmemme ha ugwu mana ọ bụ n'ụbọchị nke ụmụ nwoke na-agba egwu nke ha ka mmanwụ nile nọ n'Ọka ji apụta n'uju. N' ụbọchị a, enweghi nwanyị na-agafe n'ebe a na-eme mmemme a maka na ndị mmanwụ na-eju ebe nile. Ndị obodo ọzọ bidobere ha nso ga-eduru mmanwụ ha

bịa sonye na mmemme a iji kwalite mmemme a. Ha ga-ejikwa ihe onyinye dịka ji na ọkụkọ mgbe ha na-eme nje m a (ndị si obodo ọzọ bịa). Ọ bụ n'ụbọchị a ka a na-esi nri avulu na ji nke e ji eme mmemme a site n'iji nri a nabata ndị ọbịa.

4.2 Ihe ndị kachasị pụta ihe na mmemme egwu Imọka n'oge ochie na-adịghịzị ugbu a

E nwere ọkpụrụkpụ ihe ụfọdụ mere mmemme egwu Imọka ji bụrụ ịgba n'oge ochie nke anaghịzị apụta ihe na mmemme a n'oge ugbu a. Dịka ndị a gbara ajụjụ ọnụ siri rụtụ aka, ụfọdụ ihe ndị kachasị pụta ihe na mmemme egwu Imọka n'oge ochie na adịghị ire n'oge ugbu a gụnyere ihe ndị a dị n'okpuru.

4.2.i Mgba egwuregwu

N'oge ochie, a na-agba egwu opueke. Egwu a na-adị n'ụdị mgba egwuregwu nke a na-akpọ nro nta (mgba egwuregwu). Ihe e ji eme nke a bụ iji chọpụta ndị siri ike na kwa ndị nwere ike idinwu ụfụ. N'oge a na-agba mgba a, ndị na-agba mgba a ga-eyi uwe agha, jiri mmá agha (*sword*) na mgbolo (*clave*) tinyekwara abọ (sheath) nke ha ji echekwa onwe ha. Ebe ọ bụ mgba egwuregwu, a tụghị anya na ha ga-emeru onwe ha ahụ mana oge ụfọdụ ha na-enwe obere ihe mmeru ahụ. Mmerụ ahụ a na-adapụtakarị na mberede. Ọ bụ ụmụ nwoke na-agbakarị mgba a ebe ụmụ nwanyị ga-anọ n'akụkụ ekiri ha. Mgba egwuregwu a bụ nke a na-eme na mmemme egwu Imọka kemgbe mmemme a malite. N'oge ugbu a, a naghịzị agba mgba egwuregwu na mmemme egwu Imọka n'ihi ogbugbu e gburu Udenabọ onye Amachalla n'oge a na-agba mgba egwuregwu. Dịka Nwankwọ (2021), onye a gbara ajụjụ ọnụ siri kọwaa, 'ihe mere n'afọ ahụ bụ na e nwere nsọkọrịta mpị n'etiti mpaghara obodo isii ndị a: Amachalla, Ụmụnnoke, Amudo, Umuayọm, Umuzocha na Ụmụoramma. Mpaghara obodo isii ndị a nọ n'ama obodo asọ mpị mgba egwuregwu mgbe e gburu Udenabọ onye Amachalla. A sụrụ Udenabo mma n'afọ ma o nweghị onye mara onye mere nke ahụ. O riri onye ọ bụla ọnụ ma bụrụ ihe nwute mgbe ọdachị a dapụtara tụmadị ndị Amachalla bụ ndị mụrụ Udenabọ. Mgbe nke a mere ha kpọkuru chi Imọka sị ya na onye ọ bụla kpachara anya gbuo Udenabọ were jụ ikwupụta na ọ bụ ya gburu Udenabo, ka chi ha bọọ ụbọ. Bido oge ahụ gawa, e jighịzị mma agha eme mgba egwuregwu. Ihe e jizi eme ya bụ añachụ. Aňachụ ka e jiziri nọchie anya mma e jibu agba mgba egwuregwu'. N'oge ugbu a, a na-agba mgba egwuregwu mana anaghịzị eyi uwe agha agba ya n'ihi na uwe agha na-eme ka mmụọ nwupu ọbara baa ndị mgba egwuregwu n'isi. Ụmụ

okorobịa na-eyizi akwa nkịtị agba mgba egwuregwu ma na-apịarịtakwa onwe ha añachụ garuo n'ike agwụ ha.

4.2.ii Ejije

Ejije n'oge mmemme egwu Imọka bụ nke nwanyị kachasị bụrụ okenye n'Ifite Ọka na ndị mmanwụ na-eme. N'ụbọchị nke abụọ n'oge mmemme egwu Imọka nke bụ ụbọchị Nkwọ, a fụọ opueke, nwanyị ahụ kachasị bụrụ okenye ga-akwanye ngwa ahịa ya na nkata buru ya gawa n'ahịa Nkwọ. Ọ bụ nanị ya na-aga ahịa ahụ. Okeke (2021), otu onye na ndị a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na nwanyị ahụ kachasị bụrụ okenye ruo n'ahịa ahụ, ọ ga-ewere azịza zachaa ebe ọ ga-akpọsa ngwa ahịa ya. Ọ bụrụ na ọ zachaa ebe ahụ, ọ ga-akpọsa ngwa ahịa ya ka ọ na-ere ha ere. Ọ bụrụ na ọ kpọsachaa ngwa ahịa ya, ọ ga-eche ihu ya n'ihu obu Imọka na-etu chi Imọka aha dị iche iche iji kwanyere ya ugwu. Ọ ga-akwụrụ ebe ahụ ihe dịka nkeji iri atọ. Ọ bụrụ na o mesịa nke a, ọ ga-akwanye ngwa ahịa ya na nkata ya lawa be ya. Nke a na-egosi na ọ bụ chi Imọka nwe ahịa Nkwọ ndị Ọka. Ọzọ kwa, n'ụbọchị ikpeazụ mmemme egwu Imọka, mmanwụ dị iche iche ga-agakwa n'ahịa Nkwọ nke dịdebere ọhịa Imọka mekwa ejije dị iche iche. Ha ji ejije ndị a eme ndị mmadụ obi ụtọ. N'oge ugbu a, ụdịrị ejije a adịghịzị ire. Mmepe anya na ọbịbịa ekpemekpe Kraịs emeela ka ejije a daa mba na mmemme egwu Imọka ndị Ọka.

4.2.iii Egwu

Egwu sokwa n'ihe pụrụ iche e jiri mara mmemme Imọka n'oge ochie. Egwu so na mmebere mmemme egwu Imọka nke e ji agwa ndị mmadụ na mmemme chi Imọka na-akpụdebe nso. Mmemme egwu Imọka bụ nke e ji egwu dị iche iche egosipụta ya. Egwu a bụ nke ndị mmadụ na-agba n'oge mmemme egwu Imọka. Ọ bụrụ mgbe ochie, a fụọ opueke, ndị mmadụ ga-amata na mmemme egwu Imọka dịzị nso. Ndị mmanwụ nile ga-eje n'ahịa Nkwọ nke dịdebere obu Imọka maka ịgba egwu. Ndị mmanwụ ga-anọ ebe ahụ agba egwu dị iche iche e ji ịgba akụ, opueke na ngwa egwu dị iche iche a kụrụ ha. Ha ga-esi ebe ahụ gbara egwu gaba Ụmụokpu (obodo Ọka dịpụrụ iche n'Ọka) iji gwa ha oge a ga-eme mmemme egwu Imọka. A na-agba egwu a ugboro abụọ. Nke mbụ bụ iji gwaa ndị mmadụ mgbe a ga-eme mmemme Imọka ebe nke abụọ bụ n'uju mmemme Imọka. N'ụzọ abụọ a na-agba egwu, ma ụmụ nwoke ma ụmụ nwanyị na-esonyekwa n'ịgba egwu Imọka a. N'isi ụtụtụ ụbọchị nke mbụ mmemme a, eze nwanyị ga-eduru ụmụ nwanyị ha gbara egwu ma gụrụ egwu ha ji eto chi Imọka gawa n'obu Imọka.

4.2.iv Arịa

Arịa bụ ihe e ji achọ mmemme egwu Imọka mma. Arịa bụ ekike na etemete nile ndị mmadụ ji akwado onwe ha n'ụzọ pụrụ iche na mmemme Imọka. Mmemme a nwere arịa dị iche iche na ya. Arịa ndị a gụnyere: nzu, ákà, uwe ọcha, okpu agha na kwa uwe ndị ọzọ dị iche iche ndị egwu na-eyi. Eze Imọka na ndị eze nwanyị na-eyi uwe ọcha werekwa nzu tee n'ahụ na kwa n'elu anya ha. Ụmụ nwoke chiri echichi na-ekekwa ekike n'ụdị nke ha. Ndị egwu dị iche iche na-eyi uwe nke ha (uwe e ji mara ha). Ụmụ ntorọbịa nile ga-ewere nzu tee n'ihu na azụ ha. Nke a na-egosi na ha bụ nwafọ Ọka. A na-esite n'ekike ndị a amata òtù dị iche iche na ihe dị iche iche ha na-emegasị na mmemme egwu Imọka. Ekike nile a nke òtù dị iche iche na-eke na-achọ mmemme a mma ma mee ka mmemme a chawapụ. Ụdịrị ekike a adịghịzị ire n'oge ugbu a.

4.2.v Ịba mmanwụ

Ịba mmanwụ bụ nke a na-eme n'ụbọchị nke anọ na mmemme egwu Imọka. A na-enwe ihe nnwale dị iche iche nke onye chọrọ ịba mmanwụ na-agabiga. Nke a na-eme ka onye na-aba mmanwụ nwee ike izo ihe nzuzo banyere mmanwụ. Otu n'ime nnwale a bụ nke a na-agwa onye chọrọ ịba mmanwụ ka o jiri ọnya ududo rịa elu. Ime nke a adịghị mfe ma ọlị. Dịka nnwale a na-aga n'ihu, a ga-enye onye ahụ nnukwu akwụkwọ onugbu ka ọ taa. A ga-agwa ya ka ọ na-amụ amụ mgbe ọ na-ata ya. Mgbe onye ahụ na-ata onugbu ahụ na-amụ amụ, etu ihu ya na-adị na-atọ ndị nọ ebe ahụ ọchị. Eze (2021), onye ọzọ a gbara ajụjụ ọnụ, kọwara na nnwale nke ikpeazụ na-adị egwu. Ọ kọwara na a ga-agwa onye na-achọ ịba mmanwụ ka ọ kpọọ aha onye yi otu mmanwụ. Ọ bụrụ na ọ kpọtanwuo aha onye yi mmanwụ ahụ, ndị nọ ebe ahụ ga-eti mkpu. Dịka ha na-eti mkpu ahụ ka mmanwụ ahụ ga-ada n'ụdị na ọ nwụrụ anwụ. A ga-ebo onye ahụ ebubo na o gburu mmanwụ. Nke a na-eme ka ụjọ tụọ onye ahụ nke nwere ike ime ka obi mapụ ya maọbụ gbuo onye ahụ. Ọ ga-akwụrụzị ebe ahụ na mgbọgoju anya. A ga-agwa onye ahụ chọrọ ịba mmanwụ ka o bulite ozu mmanwụ ahụ n'ihi na o gburu mmanwụ ahụ site n'ikwu kpọmkwem aha onye yi mmanwụ ahụ. Dịka onye chọrọ ịba mmanwụ na-agbalị ibulite ozu mmanwụ ahụ elu, ndị nọ ebe ahụ ga-ejiri aha ya na-agụrụ ya egwu na o gburu mmanwụ. Ọ bụrụ na o megide nke a, a ga-ahụ na onye ahụ ataala ahụhụ n'ihi na o nweghi ike ibulite mmanwụ ahụ elu. Mmanwụ ahụ ga-eji aka ya kulite. Nke a ga-atụ onye na-achọ ịba mmmanwụ egwu ma mekwa ka obi ruo ya ala n'ihi na mmanwụ ahụ kulitere. A ga-esite na nke a kuziere onye ahụ na mmadụ anaghị

ebunwu mmanwụ maka na mmanwụ bụ mmụọ. Nke a gasịa, a ga-anabatazị onye ahụ n'òtù mmanwụ . Nke a ga-eme ka o nwee ike iji añachụ ma soro ndị mmmanwụ agagharị.

4.2.vi Ngosi mmanwụ dị iche iche

Mmemme egwu Imọka bụ nke mmanwụ dị iche iche e nwere n'Ọka na-eme ihe ngosi dị iche iche na ya. Ọ bụ mmanwụ ndị a e kwenyere na ha bụ mmụọ na-agba egwu mmụọ Imọka. Otu uru pụtara ìhè íhé ngosi mmanwụ ndị a na mmemme a bụ ịkpa ndị mmadụ obi anwụrị. Nnukwu mmanwụ ndị dịka: Ajoanụ, Ijele, na Enyi Nnunu na nnukwu mmanwụ ndị ọzọ na-agba egwu ụbọchị ụmụ nwanyị na-agba egwu Imọka nke ha (ụbọchị mbụ). Ha na-eme nke a iji kwanyere mmemme ha ugwu. Mmanwụ ndị ọzọ na ụdị ha dị iche iche na-apụta na mmemme a. Ụmụ ntorọbịa na-eji añachụ, kụrụ egwu soro ha na-agagharị n'ama obodo dị iche iche. Ha na-esite n'ụzọ dị etu a, e zipụta ọdịnala na nkwenye ndị Ọka.

5. Nchịkọta na mmechi

Nchọcha a lebara anya na mmemme egwu Imọka dịka o siri metụta itulekọrịta mmemme egwu Imọka n'oge ochie na ugbu a na ihe ndị kachasị pụta ihe na mmemme egwu Imọka n'oge ochie na-adịghịzi ugbu a. Nchọcha a zipụtara n'agbanyeghị na mmemme egwu Imọka dị ọkpụtọrọ ọkpụ dịka obodo Ọka, na a ka nwere ọtụtụ myiri na mmemme agba ochie na agba ọhụrụ tụmadị usoro mmemme a na oge e ji eme ya n'agụmoge ndị Ọka. Ma mgbe ochie ma ugbu a, mmemme a na-ebido n'ụbọchị Afọ ma kwụsị ụbọchị Orie. Usoro banyere igbu opueke n'abalị ụbọchị Orie nke na-echetara ndị mmadụ na mmemme a eruola ka dị ire ruo ta a.

A chọpụtara n'ụbọchị mbụ a, a ga-afụkwa opueke. E mee nke a, ụmụ nwoke ga-esi na be ha dị iche iche pụta zachaa ama obodo, gbuo anụ ma tunye mgbiri afọ anụ ahụ n'ọhịa Imọka iji chụọrọ chi Imọka aja. A naghịzị eme ụdị ihe a ugbu a dịka ọ dị n'oge agba ochie. N'isi ụtụtụ ụbọchị nke abụọ, eze nwanyị ga-eduru ụmụ nwanyị ha gụrụ egwu gawa n'obu Imọka. Eze nwanyị na-edu ha na-ejikwa nzu n'aka. Ihe mmanwụ dị iche iche ji apụta bụ iji kwanyere mmemme nke ụmụ nwanyị ugwu. A chọpụtara n'ụbọchị nke atọ na mmemme a bụ ụbọchị ụmụ nwoke ji agba egwu opueke nke ha. Ezinaụlọ ọ bụla na-esi nri pụrụ iche ụbọchị ahụ ọkachasị nri avulu na ji. Orie bụ ụbọchị nke anọ ma bụrụkwa ụbọchị ikpeazụ.

A chọpụtakwara na ihe pụtara ihe n'ụbọchị ikpeazu a bụ ezumike, ịba mmannwụ, ụmụ nwanyị ibunye ndị mere ha ihe ọma nri ji e jirir ofe avulu tee na ndị okenye inwe ọgbakọ maka idozi ezunaụlọ nwere ezemokwu. Nanị ezumike na ịba mmanwụ ka dị ere ugbu a. Ihe ndị ọzọ a na-eme ụbọchị ikpeazụ adịghịzi ire ugbu a dịka ha dịbụ na mbụ.

Na mmechi, a chọpụtara n'agbanyeghi na ndị Ọka nwere omenala dị iche iche dịka ọnwa ede mmụọ, otite na ịwa ji, mmemme egwu Imọka bụ mmemme ka kwudosiri ike n'Ọka ruo ta a karịa mmemme ndị ọzọ. A chọpụtara n'ụfọdụ ihe ndị kachasị pụta ihe na mmemme egwu Imọka n'oge ochie na adighị ire n'oge ugbu a gụnyere ihe ndị a: mgba egwuregwu, ejije, ịgba egwu, arịa dịka ekike na etemete nile ndị mmadụ ji achọ onwe ha mma n'ụzọ pụrụ iche na mmemme Imọka, na ngosi mmanwụ dị iche iche.

Nrụmaka

Esogbue, E. (2018): Anioma nation: Rich in culture; rich in festival and feasts. E wepụtara ụbọchị 20/01/2021 n'emekaesogbue.blogspot.com

Ezebuilo, C. N. (2020). Communication theory of Culture. In B. M. Mbah (Ed.), *Theories of culture and translation* (pp. 23-32). Nsukka: University of Nigeria Press.

Ezenagu, N. (2014). Harnessing Awka traditional festival for tourism promotion. *Global Journal of Arts Humanities and Social Sciences*, 2, (5), 43-54.

Ezesinachi, J. N. (2021). Aesthetic and dramatic elements in Nsijiugwu festival of Okpuje Igbo, Enugu State. Nchọcha Ph.D nke e mere na Ngalaba Lingwistiks, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Igbokwe, B. N. & Akueshi, A. N. (2021). Igbo culture, new trends and future hope. *Igwebuike: An African Journal of Arts and Humanities*, 7, (3), 43-54.

Niyi, E. (2016). Ikeji festival of Arondizuogu of Imo State, Nigeria. E nwetara n'ọnwa Jenuwarị 20, 2021 site n'ụdọ http://afrotourism.com/travelogue/ikeji-festival-ofarondizuogu-imo-state-nigeria/

Nworgu, B. G. (2015). *Educational research: Basic issues and methodology* (Third Edition). Nsukka: University Trust Publishers.

Okafor, A. (1992). *The Awka people*. Onitsha: Chudon Graphic Prints.

Ukwuaba, I. E. (2014). Omenala ịgụ afọ n' Igbo: Dịka ọ dị n' Ovoko Nsụka. Arụmarụ B. A. Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Nke Naijirịa, Nsụka.

Mgbakwunye

Ndị a gbara ajụjụ ọnụ

Aha	**Akaọrụ**	**Afọ ha dị**	**Ụbọchị**	**Oke/nne**
Ichie Nwora Michael	Onye ọrụ ugbo	Iri asatọ na ise	12/02/2021	Nwoke
Ichie Nnamdi Okeifufe	Onye ahịa	Iri asaa na ise	09/01/2021	Nwoke
Maazị Nwafọ Ọkọnoji	Ezumike nka	Iri iteghete	02/02/2021	Nwoke
Oriakụ Juliana Adibe	Onye ọrụ ugbo	Iri asaa	09/02/2021	Nwaanyị
Oriakụ Ifeoma Okeke	Ezumike nka	Iri asaa na ise	25/03/2021	Nwaanyị
Charity Nwankwo	Onye ọrụ aka	Iri anọ na anọ	20/02/2021	Nwaanyị
Elizabeth Ọnwụasọanya	Onye nkụzi	Iri anọ	09/01/2021	Nwaanyị
Anthony Eze	Ọkwọ ụgbọala	Iri atọ na out	25/03/2021	Nwoke
Nnanna Okoli	Onye ahịa	Iri atọ na anọ	07/02/2021	Nwoke
Chibueze Obiokafor	Onye ọrụ aka	Iri isee	12/02/2021	Nwoke